# Ọgbatauhie Nye Ikuzi Na Ọmụmụ Igbo Dịka Asụsụ Ịbọ

**Nke si n'aka**

**Igbeakụ, Benjamin Chimuatụlamụra (Ph.D.)**
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka

**&**

**Ude, Fabian Uchenna**
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka

**&**

**Igbeakụ, Dorathy Onyinyechi**
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka

**Ụmịedemede**

Nchọcha a lebara anya n'ọgbatauhie na-ebute nsogbu n'ikuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dịka asụsụ ịbọ (A2). Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị nkuzi Igbo A2 dị ọnụọgụ mmadụ isii na ụmụ akwụkwọ dị iri na anọ n'ọnụọgụ na-agụ Igbo dịka A2 na Fedralu Kọleeji Keedukeshọn, Yola. E jiri usoro nkọwa mee nchọcha a. Ngwa nchọcha e jiri nweta njịatule bụ ajụjụ ọnụ na ajụmaza. Ndị ọchọcha chọpụtara ọkpụrụkpụ ọgbatauhie anọ: ụkọ akọrọ ngwaọrụ, ajọ echiche ime obi ndị mmadụ, nsogbu ntọala edide asụsụ na mmebe iwu atụmatụ asụsụ. Ọsịsa e nwere n'aka ụmụ akwụkwọ e jiri mee nchọcha kọwara na ụkọ akọrọ ngwaọrụ dịka enweghị ndị nkuzi a zụrụ ọfụma, ụkọ ngwa nkuzi, enweghị mkpalite mmụọ na ụkọ ebe a ga-arụ ọrụ ma agụcha Igbo dịka A2 bụ nsogbu ha na-enwe. Ndị nkuzi, n'aka nke ha kọwara na ajọ echiche ime obi ndị mmadụ na-ebute iri mperi n'agụmakwụkwọ, nleli nne na nna na-eleli asụsụ Igbo, nkwenye efu ndị mmadụ na mmụọ ụmụ akwụkwọ ịda mba na-ebute ọgbatauhie nye ọmụmụ Igbo dịka A2. Ọgbatauhie ọzọ ndị ọchọcha chọpụtara site na njịatule bụ usoro edide dịka nsogbu ntọala edide asụsụ, mkpafanye asụsụ, asụsụ akamere na ụkọ akwụkwọ ọgụgụ n'Igbo. N'ikpeazụ, nsogbu pụtakwara ihe na nchọcha a bụ mmebe iwu atụmatụ asụsụ dịka mkpagbụ asụsụ nkwekọrịta, agbakwasighị iwu amụmamụ anya nke ọma, ụzọ nnabata ụmụ akwụkwọ tinyere nnweta omenaala.

## Mkpọlite

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ pụtara ihe na Naịjirịa nke a na-enye ugwu (FRN, 2014). Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na Naịjirịa. N'ihi ya, e ji asụsụ Igbo ezikọrịta ozi n'ala Igbo niile na ebe gafere ala Igbo ma bụrụ ihe e ji akwalite ezi mmekọrita n'etiti ndị Igbo. Dịka Bendor-Samuel na Rhonda (1989) si kwuo, asụsụ Igbo si n'ezinaụlọ asụsụ New Benue-Congo. Ọmụmụ asụsụ Igbo, dịka Oraka (1983) siri dee, malitere n'akwụkwọ akụkọ Oldendorp (1777) nke aha ya bụ *History of the mission of the evangelical brothers in the Caribbean.* Oldendorp bụ onye ọcha si obodo *Jamini* ma burụ onye nwere mmasị n'ịmụ asụsụ Igbo site n'iji ndị Afrịka a gbara ohu nọ na *Siera-Lionu*. N'afọ 1789, Olaudah Equiano bipụtara akwụkwọ edendụonwe nke ọ kpọrọ *the interesting narrative of the life of Olaudah Eọuiano.* N'akwụkwọ ahụ, e nwere mkpụrụokwu Igbo dị iri asaa na itoolu. Kemgbe afọ 1777 ruo taa, e meela ọtụtụ mgbalị iji mee ka asụsụ Igbo dịka asụsụ epum ma ọ bụ asụsụ ịbọ kwudosie ike.

A na-asụ asụsụ Igbo n'akụkụ ọwụwa anyanwụ Naijiri. Ikekeonwu (2005, ih. 86) rụrụ ụka na "asụsụ Igbo bụ asụsụ nkiti nke ihe karịrị nde mmadụ iri abụọ (2,000,000) jiri mere asụsụ epum ma bụru ndị bi na mpaghara obodo Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu, Delta na Imo tinyere akụkụ Steeti Rivas. Ọnụọgu mpaghara ndị dị n'ọwụwa anyanwụ dịka FRN (2006) siri zipụta dị ọnụọgụ mmadụ nde iri na isii, puku narị atọ na iri asatọ na otu na narị asaa na iri abụọ na itoolu (16, 381, 729). Na nzaghachi nye ọnụọgụ ndị FRN (2006), Ọhanaeze Ndị Igbo kwuru na agụmọnụ nke afọ 2006 chabiri ọnụọgụ ndị Igbo site n'ime ka o pee mpe pekarịa ka ọ ha. Ka o sila dị, ihe banyere ịhazịgharị ọnụọgụ ndị Igbo dịka ime ka ọnụọgụ FRN (2006) na Ikekeonwu (2005) hara nhatanha esoghị na mbunuche nchọcha a.

N'ihi ya, mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe ọgbatauhie nye ikuzi na ọmụmụ assụsụ Igbo dịka asụsụ ịbọ na kọleeji keedukeshọn tụmadị na Fedralu Kọleeji Keedukeshọn, Yola dịka ebe mgbado ụkwu na nchọcha a. Isi sekpu nti e jiri webata asụsụ Igbo dịka A2 kọleeji keedukeshọn bụ ịgbasa nkuzi na ọmụmụ Igbo n'ebe e jighị ya mere asụsụ epum. Iwebata Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn dị na Naịjirịa malitere oge ndị gọọmenti Naịjirịa nyere iwu ka e gwuzobe Nashọnal Kọmịshọn maka Kọleeji Keedukeshọn (NCCE) na 1989 nke nyere NCCE ikikere inye iwu ka kọleeji keedukeshọn niile dị na Naịjirịa wee kuziwe amụmamụ asụsụ Hausa, Igbo na Yoruba dịka A1 na A2. Iwu a abịaghị na mmezu na Fedralu Kọleeji Keedukeshọn, Yola ruo n'afọ 2006 bụ mgbe e ji malite Igbo A2. Amụmamụ Igbo dịka asụsụ mbụ (A1) malitere n'afọ 1986 ebe amụmamụ Igbo A2 malitere n'afọ 2006 nke asụsụ epum ụmụ akwụkwọ e ji bido ya bụ Hausa, Tiv, fulfilde na Idoma.

Ebumnuche nke FRN (2012) gbasara iwu igwuzobe ikuzi na ọmụmụ Igbo A2 na kọleeji keedukeshọn bụ ihụ na e nwere ịdị n'otu na udo na Naịjirịa dịka ndị a gaghị ekewa ekewa, kwụdoziri ike, jikoro ọnụ ma nọrọ onwe ha nke ntọala ha bụ nnwereonwe, nhatanha na ikpe nkwụmọtọ ebe agbụrụ ọ bụla nọ. Iwu a e nyere bụ oku ka ndị ọchịchị Naịjirịa kpọro ka e jiri ikuzi na ọmụmụ asụsụ epum dị iche iche e nwere na Naịjirịa kpọrọ ihe site n'ikuzi ha dịka A1 na A2 na Naịjirịa. Ka o sila dị, ebumnobi ndị ọchịchị Naịjirịa gwuzobere ka a kuziwe Igbo A2 abịachaghị na mmezu dịka ha siri kwadobe ya. N'ihi na atụmatụ a abịaghị na mmezu ka ndị ọchọcha a ji nwee mkpali mmụọ ịbagide nchọcha a iji chọpụta ọgbatauhie chere ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka asụsụ ịbọ aka mgba tụmadị ka o si metuta ikuzi na ọmụmụ Igbo A2 na Fedralu Kọleeji Keedukeshọn, Yola na Steeti Adamawa.

**Ntulegharị agụmagụ**

Na nkeji a, a tulegharịrị agụmagụ site n'ileba anya n'ihe ndị a: nnyocha atụtụ na ntulegharị isiokwu.

**Nnyocha atụtụ**

Ndị ọchọcha tulegharịrị atụtụ ụfọdụ e nwere na nkuzi asụsụ ịbọ malite n'atụtụ nnweta asụsụ na nnata omenaala, atụtụ nlegide, atụtụ nzikorịta ozi nkuzi asụsụ na atụtụ iwu nkuzi asụsụ. Nchọcha a nyochara atụtụ anọ ndị a n'ihi na ha bara uru ma dịrị mkpa na nkuzi na ọmụmụ A2. Dịka Husna (2009) siri kwu, atụtụ anọ a kacha nwee agba n'ime atụtụ nkuzi A2 dum n'ihi echiche ụdị usoro ọhụụ e ji akụzị A2 nke gbanyere mgbọrọgwụ n'usoro nkuzi na ọmụmụ A2.

**Atụtụ nnweta asụsụ na nnata omenaala**

Atụtụ nnweta asụsụ na nnata omenaala bụ otu n'ime atụtụ e nwere na nkuzi asụsụ ịbọ. Onye tụpụtara atụtụ a bụ Schumann (1978). Schumann (1978, ih. 29) kwuru na "nnabata omenaala bụ isi sekpu ntị na mgbamonwe nnweta asụsụ ịbọ". Schumann gara n'ihu gbakwunye na "nnweta asụsụ ịbọ bụ otu n'ime mpaghara nnabata omenaala ma otu ogo ọmụụ asụsụ si nabata asụsụ mbunobi ga-enye aka na mgbazị ka ọ ga-esi mụta asụsụ ịbọ" (ih. 34). Nnabata omenaala na-enyeaka inwetazu asụsụ site n'ịyọchapụ asụsụ. Nnabata omenaala na-apụta ihe mgbe ọmụụ asụsụ ịbọ hụrụ asụsụ ịbọ dịka omenaala ma nabata ya dịka otu n'ime omenaala asụsụ mbunobi. Schumann (1978) kere atụtụ nnabata omenaala ụzọ abụọ. Na nke mbụ, Schumann kọwara na ọmụụ asụsụ ịbọ na-esonye ndị otu ọgbọ ya asụ asụsụ ịbọ ahụ nke bụ asụsụ epum ha. Ọnọdụ a ga-eme ka ọmụụ A2 nwee mmekọrita tọrọ atọ n'etiti ndị ọgbọ ya A2 ahụ bụrụ asụsụ epum ha nke ga-enyere ọmụụ A2 aka ịmụta asụsụ ahụ. Ụzọ dị otu a ga-eme ka ihe ọ bụla ọmụụ A2 mụtara dịrị ọkpụtọrọkpụ. N'ụzọ nke abụọ, e nwere myiri pụtara ihe na njirimara nkenuụdị atụtụ nnabata omenaala nke

mbụ na abụọ. Naanị ndịiche ha, dịka Schumann siri zịpụta bụ na ọmụụ A2 na-ahụta ndị jiri A2 ahụ mere asụsụ epum ha dịka ndị nrụaka ọ ga na-enyomi ma na-eso nzọ ụkwụ ha mgbe ha na-asụ asụsụ epum ha. Nke a ga-enyere ọmụụ A2 aka ịmụta ya ọsọọsọ.

**Atụtụ nlegide**

Atụtụ a na-egosi na ọmụụ A2 ga-agbakwasa anya ebe ndị jiri A2 ahụ mere asụsụ epum ha nọ. Nlegide anya n'asụsụ ịbọ a ga-enyere ọmụụ aka ịmụta ihe niile banyere asụsụ mbunobi. Krashen (1982) tọrọ ntọala atụtụ nlegide. Krashen wepụtara ọmaokwu ise dị n'atụtụ nlegide dịka ụzọ e si enweta A2. Ha ise bụ: mpụrụiche nnweta mmụta, usoro ọdịnaala ọmaokwu, ọmaokwu nlegide, ọmaokwu ndịnaime na ọmaokwu myọcha mmetuta. Krashen (1982) kọwara mpụrụiche nnweta mmụta ọmaokwu dịka nke kacha nwee ọkwa dị elu n'ime ọmaokwu ise e nwere n'atutụ nlegide n'ihi na naanị ọmaokwu mpụrụiche nnweta mmụta na-egosi na okenye na-amụ A2 nwere ụzọ abụọ dị iche iche nke kwụrụ onwe ha e si enweta mmammụta n'asụsụ ịbọ. Ụzọ abụọ ahụ bụ nnweta asụsụ na mmụta asụsụ. Nnweta asụsụ bụ ụzọ okenye na-eji ụzọ nwanyọ n'amaghị ama mụrụ asụsụ ịbọ ebe mmụta asụsụ pụtara okenye idobe ahụ ka ụmụaka mgbe ha na-amụ asụsụ epum ha, site otu a mụta A2. Okenye idobe onwe ya ka ụmụaka ga-eme ka ọmụụ A2 mụta ya na ntụmanya n'amaghị ama n'ụdị ka ụmụaka si amụta ma ọ bụ enweta asụsụ epum ha. Krashen kọwara na "ọmụmụ A2 na-apụta ihe mgbe mmadụ zipụtara mmammụta n'A2. Ịmụ A2 n'ụdị a pụtara inwe mmammụta n'A2 ma mara usoro e si ede ma na-asụ asụsụ ịbọ ahụ nke ọma" (1982, ih. 10).

Ọmaokwu a kwenyere na nka inweta asụsụ anaghị akwụsị mgbe nwata toputara ruo ihe e ji mmadụ eme kama onye toruru ntorọbịa ma ọ bụ karịa nwere nka ịmụta A2 mana onye dị otu a agaghị enwe nka ịsụ A2 dịka onye ji ya mere asụsụ epum otu ụmụaka na-etolite etolite nwere ike inweta A2 ma sụọ ya ka asụsụ epum ha. Atụtụ nlegide na-ezipụta na onye nkuzi na-akụzị ụmụ akwụkwọ A2 kwesịrị iji asụsụ A2 kuzie ihe ọmụmụ ya. Ọnọdụ dị otu ahụ ga-eme ka ụmụaka mụta A2 ọsọọsọ. Site na-emereme onye nkuzi ga na-ewebata na nkuzi ya ka ụmụ akwụkwọ ga-esi nwee mmasị na mkpali mmụọ ịmụta A2. E kwesịrị inye ụmụaka ohere imegharị ahụ site n'iji A2 kpa nkata ma ọ bụ zipụta mbunobi ha mgbe a na-enwe ihe ọmụmụ n'A2. Mgbe onye nkuzi mere otu a, ụmụaka ga-enwe mkpali mmụọ n'ọmụmụ A2.

**Atụtụ nzikorịta ozi nkuzi asụsụ**

Atụtụ nzikorịta ozi nkuzi asụsụ si n'aka Numan (1991). Atụtụ a hiwere isi n'ịgbaso usoro mara mma e ji akụzị asụsụ. O kwukwara na site n'ịkpalị mmụọ ọmụụ asụsụ ịbọ ka a ga-esi nweta enyemaka ime ka ọ mụta A2 nke ọma. Atụtụ a kwenyere na ịkpakọrita ụbụbọ n'etiti onye nkuzi na ụmụ akwụkwọ ga-eme ka ọmụụ A2 mụta ya ngwa ngwa n'ihi na mbunuche e ji amụrụ asụsụ bụ ka mmadụ na ibe ya nwee ike iji ya zikorịta ozi n'etiti onwe ha mgbe ọ dị na mkpa. Atụtụ a gbadoro ụkwụ n'asụsụ dịka o siri metuta ka e si asụ ya n'ọgbọrọgbọdọ nke mere ka mkpa ọ dị puta ihe inye ụmụ akwụkwọ ohere ịsụ asụsụ ahụ iji ziputa mbunuche ha mgbe ọ bụla, (Nunan, 2004; Littlewood, 2007). N'atụtụ a, ndị nkuzi na-arụ ọrụ dịka ndị enyemaka site n'ịgbazịrị ụmụ akwụkwọ ebe ọ na-ahịa ha ahụ mgbe a na-eme ihe ọmụmụ. Nke a ga-eneyere ụmụ akwụkwọ aka n'ọdịnaihu ịkwụrụ onwe ha ma sụọ asụsụ ahụ nke ọma n'achọghị onye enyemaka ọ bụla. Atụtụ nzikorịta ozi nkuzi asụsụ na-adonyere ụmụ akwụkwọ aka n'ukwu ime ka ha jiri A2 na-akpa ụbụbọ mgbe na ebe niile ha na ndị ọgbọ ha na-anọkọrịta. Nnọkọrịta a n'etiti ụmụ akwụkwọ na ndị otu ọgbọ ha ga-enyere ha ohere iji A2 kpaa nukwu ụbụbọ. Mgbe ụmụ akwụkwọ na ndị ọgbọ ha jiri A2 mere asụsụ epum na-akparịta n'etiti onwe ha, ha na-eji obi ha asụpụta ihe dum ha mara n'A2. Ọnọdụ a ga-ebelata ọrụ onye nkuzi n'ihi na ọrụ ya ga-abụzị ịgbazịrị na imezi ebe e nwere nsụjọ/ndejọ.

**Atụtụ iwu nkuzi asụsụ**

Atụtụ a jikotara atụtụ atọ ndị ọzọ: atụtụ nnweta asụsụ na nnata omenaala, atụtụ nlegide na atụtụ nzikorịta ozi nkuzi asụsụ. Brown (2001) tọrọ ntọala atụtụ iwu nkuzi asụsụ. Brown na-akọwa na atụtụ iwu nkuzi asụsụ na-ezipụta asụsụ dịka ihe a na-enweta site n'ọmụmụ. Atụtụ a na-enye ntuzi aka ka a ga-esi ghọta tiitii na riirii dị n'asụsụ ma na-asụ ya n'agbanyeghị ọtụtụ usoro dị iche iche a na-agbaso mgbe a na-akụzị ma na-amụ asụsụ. Sanguinetti, Waterhouse na Maunders (2004) kọwara atụtụ iwu nkuzi asụsụ dịka ụzọ dị iche iche e si akụzị ma amụkwa asụsụ nke na izipụta mbunuche nkuzi, mgbakwasa anya ebe ụmụ akwụkwọ nọ, idobe iwu echiche miri emi e ji wube ulọakwụkwọ, inwe ezi mmekorita n'etiti ụmụ akwụkwọ,

ịgbado anya na ndịna ihe ọmụmụ, webata usoro nkuzi na ngwa nkuzi dị mma ma dozie gburugburu a nọ eme amụmamụ nke ga-eme ka nkuzi mịta ezi mkpụrụ. Atụtụ Brown webatara echiche ọhụụ e nwere na nkuzi n'ebe nkuzi asụsụ dị. N'ihi ya, atụtụ a bụ ọkaibe n'ihe banyere iwu na usoro nkuzi dum e nwere n'ọmụmụ asụsụ ịbọ. Brown (2001) zipụtara iwu iri na abụọ na achịkwaba nkuzi na ọmụmụ asụsụ ịbọ. Iwu ndị a gunyere: usoro nkuzi dabara adaba, ọmụmụ ziri ezi, ọmụmụ ga-eweta iti aka n'obi, mkpali mmụọ ime obi, usoro dị mma, asụsụ kpọrọ akpọ, nwere afọ ojuju, zuru mba ọnụ, nwere mmetuta n'omenaala, asụsụ epum, ụdị na asụsụ na mma mmụta asụsụ. Na nchịkọta, iwu ndị a bụ ụdọ jikoro usoro nkuzi na ọmụmụ asụsụ. Ha bụ mgbọrọgwụ e ji akụzị ma na-amụ ọtụtụ asụsụ dị n'ụwa dum.

Uru dị n'atụtụ ndị a e nyochara abakaa. Nke a pụtara ihe n'ụzọ abụọ e kere atụtụ nnabata omenaala nke na-enye aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo dịka A2. N'otu aka ahụ, atụtụ ọmaokwu ise Krashen (1982) wepụtara banyere nnweta na ọmụmụ A2 dị mkpa n'ọmụmụ Igbo dịka A2. Ọzọ dịka ibe ya, ndị na-amụ Igbo dịka A2 na-esonye ndị ji Igbo mere asụsụ epum ha akpa ụbụbọ mgbe na ebe niile ha na ndị ọgbọ ha nọkọrịtara ọnụ iji mee ka ha nwee mmasị mmụta asusu.

**Ntuleghari isiokwu**

Ọtụtụ nchọcha e mere banyere ọgbatauhie nye nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo bụ n'ikuzi Igbo dịka asụsụ mbụ. Naanị ntakịrị nchọcha ka e mere n'ọgbatauhie nye nkuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2. Imirikiti nchọcha ndị ahụ bụ n'ogo praịmarị na sekọndịri. Nchọcha banyere ọgbatauhie n'ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn dị ụkọ. N'ihi ụkọ agụmagụ a, ndị ọchọcha ga-agbakwasa ụkwụ n'ihe ọgbatauhie e nwere na nkuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 n'ogo ụlọ akwụkwọ ọ bụla. Junaidu na Ihebuzor (1993) mere nchọcha banyere nsogbu ikuzi asụsụ Naịjịrịa. Ha gbasoro usoro nkọwa mee nchọcha ha. Nchọcha ha chọpụtara na nsogbu e nwere n'ikuzi asụsụ Naịjịrịa sitere n'aka ndị na-edepụta ihe e ji eme ọmụmụ. Ha zipụtara na mmalite ikuzi Hausa, Igbo na Yoruba dịka A2 butere oke ụkọ ndị nkuzi asụsụ atọ ndị ahụ na Naịjịrịa dịka A2. Nchọcha ha kwukwara na ọ bụ ihe ịta aka n'eze na enweghị ezi nkwadebe maka ikuzi A2 dịka o siri metuta atụmatụ asụsụ. Ihe Emenanjo (1996) kwuru na ụkọ ndị nkuzi na-akụzị asụsụ Hausa, Igbo na Yoruba na Naịjịrịa bụ nsogbu ikuzi asụsụ Naịjịrịa kwadoro nchọcha Junaidu na Ihebuzor (1993). Emenanjo (1996) mere ka o doo anya na naanị ihe ga-eme ka ọnọdụ ụkọ nkuzi a belata bụ ịzụpụta ụmụ akwụkwo gụrụ asụsụ Naịjịrịa nke ukwuu ka ha nwee ike kuziwe asụsu Naịjịrịa n'ụlọ akwụkwọ. Mgbe a na-eme nke a, ndị nkuzi na-akụzị n'asụsụ Naịjịrịa ga-enwe nka ziri ezi e ji akụzị isiokwu ọ bụla ma gbasoro usoro dị mma ma na-ewebatakwa ngwa nkuzi ọgbara ọhụụ (Emenanjo, 1996: 24).

Ossai (2011) mere nchọcha banyere nsogbu ejieme ọmụmụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn. Ọ gbasoro usoro nkọwa mee nchọcha ya. Ọ chọpụtara na nsogbu ikuzi Igbo dịka A2 hibere isi n'aka ndị na-edepụta ihe ejieme ọmụmụ. Ossai chịkọtara nsogbu ikuzi Igbo dịka A2 nke metutara ejieme ọmụmụ Igbo dịka A2 n'ụzọ ndị a: enweghị ezi mbunuche ihe amụmamụ, ụkọ ndị nkuzi Igbo, enweghị ihe ọmụmụ metutara ọdịdịụdasụsụ na usoro edide Igbo nke nwere ike ime ka ụmụ akwụkwọ mụta usoro mkpọpụta okwu Igbo na odide Igbo izugbe tinyere enweghi ihe ọmụmụ ga-ejiko ụmụ akwụkwọ na ndị jiri asụsụ Igbo mere epum. Afoma (2013) gosipụtara na isi sekpu ntị na nsogbu ikuzi Igbo dịka A2 bụ tiitii na riiirii e nwere na Nashọnal Pọlisi n'Edukeshọn dịka o siri metuta ikuzi Igbo dịka A2 n'ogo sekọndịrị. Ntunyeuche nchọcha ya bụ na imepụta ejieme ọmụmụ Igbo ọhụụ dịka Igbo A2 na ezi ngwa nkuzi ga-eme ka nsogbu ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 n'ogo sekọndịrị belata.

Myiri e nwere na nchọcha Junaidu na Ihebuzor (1993), Emenanjo (1996), Ossai (2011), Afoma (2013) na nchọcha nke a bụ na ha dum gbadoro ụkwụ n'ihe nhịahụ e nwere n'ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2. E nwere ndịiche n'ebe dị iche iche n'etiti nchọcha ndị a niile dịka o siri metuta oke nchọcha, mbunuche nchọcha na ebe nchọcha. Nchọcha Junaidu na Ihebuzor (1993) hibere isi na nsogbu ikuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dịka A1 na A2, Emenanjo (1996) gbadoro ụkwụ n'ụkọ ndị nkuzi na-akụzị asụsụ Naịjịrịa ebe Ossai (2011) mere nchọcha na nsogbu ejieme ọmụmụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn. Afoma (2013) lebara anya n'ọgbatauhie e nwere n'iji ezi ngwa nkuzi akụzị asụsụ Igbo dịka A2 n'ogo sekọndịri. Ebe mgbado ụkwụ nchọcha a bụ naanị n'ihe ọgbatauhie chere nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo aka mgba dịka A2 na kọleeji keedukeshọn. Ndịiche a bụ ihe kpalịrị mmụọ ndị ọchọcha na nchọcha a.

**Ọgbatauhie n'ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2**

Site na njịatule e nwetara n'ajụjụ ọnụ a gbara na njụmaza e kere ndị e ji mee nchọcha, ihe ọgbatauhie n'ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 e nwetara dị ụzọ anọ dị obosara. Ha anọ gunyere:
i, ụkọ ngwa ọrụ nkuzi na ọmụmụ Igbo dịka ụkọ ndị nkuzi maara ihe ekwe na-akụ, ụkọ ngwa nkuzi, e nweghị ihe iti aka n'obi, ụkọ ọrụ;
ii, echiche ime obi mmadụ dịka mmụọ ịda mba, nleli nke nne na nna na-eleli asụsụ Igbo, nkwenye ndị mmadụ, mmụọ ụmụ akwụkwọ ịda mba;
iii, nsogbu usoro edide dịka ntọala odide asụsụ, mkpafanye asụsụ, asụsụ akamere, enweghị akwụkwọ ọgụgụ;
iv, mmebe iwu dịka mkpagbụ asụsụ nkwekọrịta, agbakwasịghị anya n'atụmatụ asụsụ, ụzọ e si anabata ụmụ akwụkwọ, nnweta omenaala. A kọwara ọgbatauhie ndị a dum n'okpuru.

**Ụkọ ngwa ọrụ nkuzi na ọmụmụ Igbo**

Ọsịsa e nwetara n'aka ụmụ akwụkwọ na-egosi na ụkọ ngwa ihe e ji akụzi ma na-amụ Igbo dịka A2 bụ ọgbatauhie ha na-enwetakarị. E kere nkeji nta isiokwu e nwere na ha dịka ụkọ ndị nkuzi maara ihe ekwe na-akụ, ụkọ ngwa nkuzi, enweghị ihe iti aka n'obi na ụkọ ọrụ.

**Ụkọ ndị nkuzi maara ihe ekwe na-akụ**

Ụmụ akwụkwọ kwuru na enweghị ọnụọgụ ndị nkuzi buru ibu a pịrị aka na-akụzị Igbo dịka A2. Ụkọ ndị nkuzi maara ihe ha na-eme na nkuzi Igbo dịka A2 na-ebute anaghị eme nke ọma n'aka ụmụ akwụkwọ. Ụmụ akwụkwọ gbakọnyere na ekuzighị nke ọma na ịsọ ngọngọ na nkuzi na-egbu mmụọ ụmụ akwụkwọ. Ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 chọrọ ndị a zụrụ nke ọma, nwere nka zuru oke e ji akụzị ma bụrụkwa ndị maara ihe ekwe na-akụ na nkuzi. Ndị dị otu a ga-eme ka ụmụ akwụkwọ mụta ihe a na-akụzị ma mee agụụ ọmụmụ Igbo na-eto ha akpịrị.

**Ụkọ ngwa nkuzi**

Ụkọ ngwa nkuzi na-apụta ihe mgbe ndị nkuzi enweghị ngwongwo zuru oke ha ji akụzị ihe ọmụmụ. Ngwa nkuzi na-enye aka n'ọmụmụ Igbo ma mee ka ụmụ akwụkwọ ghọta ihe a na-akụzị ọsọ ọsọ. Ụmụ akwụkwọ kọwara na ha nwere ike iji ngwa nkuzi dịka akwụkwọ ọgụgụ na-amụ n'onwe ha n'ụlọ. Ngwa nkuzi dị oke mkpa na nkuzi Igbo n'ihi na ọ na-eme ka ihe tara akpụ dị mfe ma meekwa ka nhụrụnuche bụrụ nhụrụnanya. Ụmụ akwụkwọ kwuru na ọ na-ahịa ha ahụ ichefu isiokwu ọ bụla e ji ngwa nkuzi zuru oke kuzie ha. Ndị nkuzi kwesịrị ime ka ngwa nkuzi dịrị nso ebe ụmụ akwụkwọ nọ. Nke a ga-eme ka ụmụ akwụkwọ na-agụ akwụkwọ mgbe dị ha mma. E kwesịrị ka onye nkuzi ọ bụla nye ụmụ akwụkwọ ụdọ ozi ebe ha nwere ike isi nweta akwụkwọ ọgugu, jọnal ma ọ bụ ihe ederede dị ọhụụ n'amụmamụ Igbo. Ngwa ga-eme ka ndị nkuzi belata oke ekwurekwu mgbe ha na-akụzị ma nyere ụmụ akwụkwọ aka ghọta ihe a na-akụziri ha ngwa ngwa ghara ichefu ya ọsọ ọsọ.

**Enweghị ihe iti aka n'obi**

Ụmụ akwụkwọ kọwara na o nweghị ihe e ji iti ndị nkuzi na ha bụ ụmụ akwụkwọ aka n'obi mgbe a na-akụzị ma amụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn dịka o siri dịrị na French. E kwesịrị inwe ihe mgbazịrị ma ọ bụ nkwado n'aka ndị gọọmenti ma ọ bụ nke abụghị gọọmenti nwe dịka inweta ego nkwado, mgbasiri ma ọ bụ ịzụ ụmụ akwụkwọ n'efu. Ihe iti aka n'obi nwere ike ịbụ site n'ịkwado ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ na-amụ ọmụmụ Igbo n'ụzọ dị iche iche dịka ịzụ ụmụ akwụkwọ n'efu tinyere ndị nkuzi chọrọ ịgụwanye akwụkwọ, ịzụta ngwa nkuzi, ịwụ ụlọakwụkwọ, ọba akwụkwọ dgz. Nkwado n'ụdị dị otu a ga-eme ka amụmamụ Igbo dịka A2 na-eto eto.

**Ụkọ ọrụ**

Ụmụ akwụkwọ kọwara na ndị otu ha gụrụ Igbo dịka A2 enwetabeghị ọrụ Bekee kemgbe afọ ole na ole ha gụchara. Ha mere ka o doo anya na ebe ndị gụrụ Igbo dịka A2 ga-arụ ọrụ dị ụkọ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ndị gụrụ Igbo na kọleeji keedukeshọn dịka A2 enweghị nka zuru oke ga-eme ka ha kuzie ndị asụsụ epum ha bụ Igbo nọ n'ogo praịmarị na sekọndịrị. Emerime ụlọakwụkwọ praịmarị na sekọndịrị a na-agụ Igbo bụ Igbo dịka A1. Ọ hịara ahụ inweta ụlọakwụkwọ praịmarị na sekọndịrị ebe a na-agụ Igbo dịka A2.

Naanị Igbo dịka A1 ka ọtụtụ ụlọakwụkwọ praịmarị na sekọndịrị na-agụ. Ụmụ akwụkwọ chịkọtara ọgbatauhie ha na-enwe site na-ikwu na ọnọdụ ụkọ ọrụ ebe ndị gụrụ Igbo dịka A2 ga-anọ rụọ ọrụ na-ebute ịda mba ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo dịka A2.

**Echiche ime obi mmadụ**

Echiche ime obi mmadụ bụ nghọta ihe mmadụ bu n'uche nke na-achịkwaba echiche na akparamagwa onye ahụ. Ọ bụ mbunuche mmadụ nke na-ezipụta nghọta mmadụ nwere banyere otu ihe. Ndị nkuzi na-akụzị Igbo dịka A2 kwuru na isi sekpu n'ọgbatauhie ha na-enwe na nkuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 bụ echiche obi ọjọọ ndị mmadụ nwere n'ọmụmụ Igbo dịka A2. Ha kwuru echiche ọjọọ a na-ebute ọgbatauhie n'ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn. Ndị nkuzi zipụtara ụfọdụ ajọ echiche ime obi ndị mmadụ nke gụnyere ndị dị n'okpuru.

**Mmụọ ịda mba**

Mmụọ ịda mba n'ikuzi na ọmụmụ asụsụ na-apụta ihe mgbe ugwu na nsọpụrụ a na-enye otu asụsụ n'otu gburugburu asụsụ karịa asụsụ ndị ọzọ. Ndị nkuzi kọwara na ọkwa a na-enye asụsụ Igbo pere ma a tụnyere ya asụsụ Bekee na asụsụ obodo Naịjịrịa ndị ọzọ dịka Hausa na Yoruba. Ọ hịara ahụ inweta ebe a na-asụ asụsụ Igbo n'ogo ụlọakwụkwọ praịmarị na sekọndịri. Ha kwuru na a na-amanye ụmụ akwụkwọ ka ha na-asụ naanị Bekee ebe onye nupuru isi n'iwu a ga-anata ntarama ahụhụ ya n'ụdị ịrụ ọrụ ma ọ bụ ụtarị. Ha kwukwara na ndị isi ụlọakwụkwọ, nne na nna na-emegharịa ụmụaka ha anya ka ha ghara ịsụ Igbo kama naanị Bekee. Ha sir na ọnọdụ dị otu a na-ebute mmụọ ịda mba n'ebe ụmụ akwụkwọ na-amụ asụsụ dịka A2.

**Nleli nne na nna na-eleli asụsụ Igbo**

Ndị nkuzi kọwakwara na ọtụtụ ndị nne na nna, tụmadị ndị gụrụ akwụkwọ anaghị achọ ka ụmụaka ha gụọ asụsụ Igbo dịka A2. Ha kwuru na ha na-aka enwe mmasị ka ha gụọ ihe ọmụmụ ga-eme ka ha bụrụ dibịa Bekee, ọka ikpe, imebe ọgwụ na nkanụzụ na mahadum. Na nkọwa ndị nkuzi, ndị nne na nna anaghị ahụ ụmụaka ha gụrụ Igbo dịka A2 ka ndị e nwere olileanya na ha ga-aba uru n'oge ọdịnihu. Ha na-ahụ ha ka ndị lara akara aka ha n'iyi. Nleli ndị nne na nna na-eleli ịgụ Igbo A2 na-ebute na ha anaghị enye ụmụaka ha nkwado ka ha tinye uche ha n'amụmamụ Igbo A2. Ụdị ọnụdụ a na-ebute nsogbu n'ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2 n'ihi na uche ụmụ akwụkwọ na-agụ anaghị adịzị n'ihe ha na-agụ. Ha na-agụ ya dịka iji wee chere oge.

**Nkwenye ndị mmadụ**

Ndị nkuzi kọwara na nkwenye ndị mmadụ banyere ịgụ na ọmụmụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn bụ ihe efu. Nkwenye efu a na-egbu mmụọ amụmamụ Igbo dịka A2. Ha kọwara na nkwenye ndị mmadụ bụ na ịgụ Igbo dịka A2 bụ itufu oge na ịla akụnaụba n'iyi. Ha kpọrọ ụdị nkwenye a dịka ihe efu/nkiti. Ha rụrụ ụka na o nweghị ihe amụmamụ ọ bụla a na-eme n'ụlọakwụkwọ dị elu dịka kọleeji keedukeshọn na-enweghị uru ọ na-aba n'ọgbọrọgbọdọ. N'ihi nke a, ha kwusiri ike si na onye gụrụ Igbo dịka A2 nwere ike inweta ọrụ dịka onye nkuzi Igbo A2, ntụgharị/nsụgharị, ntapị na mgbasa ozi. Ọzọ dịka ibe ya, ha mere ka o doo anya na atụmatụ ka a na-enweta nzere digree n'asụsụ Igbo dịka A2 nke ndị Nashọnal Instutu maka Asụsụ Naịjịrịa, Aba (*NINLA*) tụpụtara abịala na mmezu, naanị ikikere ka a malite ya nke ndị gọọvment ọ dị n'aka na-enye bụ ihe fọzịrị. Ha rụrụ ụka na mgbe e mere nke a, na ebe ndị gụrụ ihe amụmamụ a ga-arụ ọrụ ga-ejupụta ma meekwa ka nkwenye ndị mmadụ na onye gụrụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn enweghị ebe ha ga-arụ ọrụ bụrụ ihe akụkọ mgbe ochie.

**Mmụọ ụmụ akwụkwọ ịda mba**

Ndị nkuzi kwuru na e nwere mmụụọ ịda mba n'ebe ụmụ akwụkwọ na-agụ Igbo dịka A2 nọ. Ha kwuru na mbunuche ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na-agụ Igbo dịka A2 bụ na kama ụlọakwụkwọ ga-agbaba ha aka nnabata ka ha gụwa Igbo dịka A2. Ọnụdụ dị otu a na-eme ka ụmụ akwụkwọ na-amụ Igbo A2 na-eme akpa agwa dịka ndị a manyere ha amanye nke na-ebuta mmụọ ịda mba nke ukwuu. Mmadụ itinye uche n'ihe onye ahụ na-eme ga-ebute mkpali mmụo n'ihe onye ahụ na-eme. Ndị nkuzi nyere ndụmọdụ ka a gbaziere ụmụ akwụkwọ mgbe a na-eme mmemme nnabata ọghọm na-eso mmụọ ịda mba n'ihe mmadụ na-eme. Ihe

mgbazị dị otu a dị mkpa maka ọ ga-eme ka mmụọ ụmụaka dịrị n’agụmakwọkwọ ha ma mee ka mmegharị anya nke nwere ike isite n’aka ndị enyi, otu ọgbọ, nne na nna belata.

**Nsogbu usoro edide**

Nsogbu usoro edide dịka ihe ọgbatauhie na-arụtụ aka na tiitii riirii mejupụtara usoro na achikwaba ka e si edepụta Igbo. Asụsụ ọ bụla nwere usoro doro anya a na-agbaso ede ya. A naghi anabata ederede ọ bụla nupuru isi n’usoro edide. A naghị agbaso usoro edide Igbo mgbe a na-akụzị ma na-amụ Igbo na-ebute nsogbu n’ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2. Ụfọdụ nsogbu a ga-eleba anya n’usoro edide Igbo bụ nsogbu ntọala odide asụsụ, mkpafanye asụsụ, asụsụ akamere, enweghị akwụkwọ ọgụgụ.

**Ntọala odide asụsụ**

Ọmụmụ asụsụ Igbo dịka A2 na-egosi na ọmụụ enweela asụsụ epum nke onye ahụ nwetara tupu o tozuo ihe e ji mmadụ eme ma ọ bụ ọ gbaa afọ iri na atọ. N’ihi nke a, ụmụ akwụkwọ na-enwe nsogbu na ntoala odide asụsụ Igbo n’ihi ọgbatauhie na-adị n’agbata usoro edide asusụ epum ndị ahụ na asụsụ ịbọ ha. Ọnọdụ a ebutela nsogbu n’ebe ụmụ akwụkwọ nọ tụmadị ihe ntụpọ na akara ụdaolu mejupụtara ederede Igbo. Imezi ọgbatauhie na-adapụta n’agbata usoro edide asụsụ mbụ na ịbọ bụ ihe nhiahụ nye ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2. Nsogbu ntọala edide na-ebute nnukwu ịma aka n’ikuzi na ọmụmụ nka asụsụ dịka nka ogige, okwukwu, ọgụgụ na odide Igbo dịka A2.

**Mkpafanye asụsụ**

Mkpafanye asụsụ na-apụta ihe mgbe asusụ ọzọ dịka asụsụ mbụ ma ọ bụ ịbọ dabanyere n’okwu nke abụghị asụsụ e ji ekwu okwu. Ọnọdụ a na-adị ire na nkuzi Igbo ebe olumba na Bekee na-akpafanye na nkuzi Igbo izugbe dịka A2. Nchọcha ndị ọchọcha na-egosi na ụfọdụ ndị nkụzị na-eji naanị olumba na Bekee akụzị ndị na-agụ dịka A2. Agwa dị otu a na-emeghari ụmụ akwụkwọ anya. E kwesịrị ka a na-eji Igbo izugbe akụzị ụmụaakwụkwọ ma webeta asụsụ Bekee naanị mgbe ọ dị mkpa ịtụgharị Igbo izugbe na Bekee. Iji Bekee kuzie Igbo dara iwu atụmatụ asụsụ. Asụsụ nkuzi niile kwesịrị ịbụ Naanị Igbo izugbe beresọ ebe ọ dị oke mkpa inye ntuzi aka site n’iwebata Bekee ma ọ bụ olumba.

**Asụsụ akamere**

Asụsụ akamere bụ asụsụ enyemaka e kepụtara ka e jiri nye aka na nzịkọrịta ozi n’etiti ndị mmadụ nwere asụsụ dị iche iche. Mbunuche e jiri kepụta asụsụ akamere bụ iji kwado ezi mmekọrịta n’etiti ndị mmadụ enweghị otu asụsụ. Asụsụ Igbo izugbe bụ asụsụ akamere. Ntulegharị agụmagụ e mere na-egosi na asụsụ Igbo izugbe enweghị agbụrụ ntọala e si kepụta ya. Iji maa atụ, agbụrụ ntọala asụsụ izugbe Bekee bụ olumba Eze nwaanyị England, Hausa bụ olumba Kano, Yoruba bụ olumba Ọyọ, Igala bụ olumba Ebu ebe Fulfude bụ olumba Adamawa. O nweghị olumba a ga-asị na e si na ya kepụta Igbo izugbe. Iji asụsụ akamere were mere izugbe asusu na-ebute mgbafanye olumba, ọgbatauhie tinyere ihe mmegharị anya n’ikuzi na ọmụmụ asusụ dịka A2. Ọ dị mkpa inyochagharị Igbo izugbe ma mee ka e nwee otu olumba a ga-eji ya mere agbụrụ ntọala ya.

**Enweghị akwụkwọ ọgụgụ**

Akwụkwọ ọgụgụ e ji akụzị ma amụ Igbo dị ụkọ. Nchọcha a chọpụtara na ụmụ akwụkwọ na-amụ Igbo dịka A2 enweghị akwụkwọ ọgụgụ siri ike ha ga na-elere anya. Ụfọdụ akwụkwọ ọgụgụ e nwere bụ akwụkwọ ọkpụ. Ebe ndị ọzọ bụ olumba ka e jiri dee ha. Ụkọ agụmagụ e jiri Igbo izugbe dee ma bụrụ nke e bipụtara ọhụụ na-ebute nsogbu na nkuzi na ọmụmụ Igbo. Nwata akwụkwọ ọ bụla na-agụ Igbo dịka A2 kwesịrị inwe ọtụtụ agụmagụ Igbo dị mma ma baa uru n’ihe a na-amụ n’ụlọakwụkwọ. Inwe ya ga-eme ka ha nwee ike ịgụ ya n’ụlọ ma ọ bụ ebe na mgbe masịrị ha. Enweghị akwụkwọ ọgụgụ na-ebute ịsọ ngọngọ na ịma afọ n’ala n’ịgụ Igbo dịka A2.

**Mmebe iwu**

Nsogbu mmebe iwu bụ ihe ịma aka metutara ndị na-eti iwu gbasara atụmatụ asụsụ na agụmakwụkwọ. Ndị omebe iwu na-eti iwu otu a ga-esi kuzie asụsu ma hụkwa na ndị mmadụ debere iwu ndị ahụ. Nsogbu pụtara ihe na mmebe iwu bụ na anaghị atịnye ihe iwu kwuru n'ọrụ. Ụfọdụ nsogbu e nwere na mmebe iwu a bụ mkpagbụ asụsụ nkwekọrịta, agbakwasịghị iwu amụmamụ anya nke ọma, ụzọ e si anabata ụmụ akwụkwọ, nnweta omenaala.

**Mkpagbụ asụsụ nkwekọrịta**

Asụsụ nkwekọrịta e ji agbasa ozi na Naịjirịa bụ Bekee. E nwere mkpagbụ ebe ọ dị ukwuu nke Bekee na-akpagbụ asụsụ Naịjirịa tụmadị asụsụ Igbo. N'ihi mkpagbụ a, a na-ahụta ịgụ na ịsụ Igbo na Naịjirịa dịka ihe ntufu oge. Ọkwa a na-edosa onye nwere nka ịsụ asụsụ Bekee na Naịjirịa nyere Igbo oche azụ ma mee ka ụmụ akwụkwọ na ndị nne na nna na-ahụzị Igbo dịka asụsụ enweghị ọkwa dị elu. Nleli asụsụ Igbo nke ihe butere ya bụ mkpagbụ asụsụ Bekee nke Naịjirịa kwekọrịta ka e jiri na-agbas ozi ebuteela ọgbatuhie nye ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2.

**Agbakwasịghị anya n'atụmatụ asụsụ**

Anaghị agbakwasị atụmatụ asụsụ na agụmakwụkwọ anya ka o kwesịrị ịdị. Oge ụfọdụ, ndị omebe iwu na-elefere ya anya. Nlefere anya na-eme ka ndị mmadụ ghara idobe iwu atụmatụ asụsụ na agụmagụ. Mgbakwasa anya n'iwu e tiri na-enye aka ịhụ na ihe iwu kwuru ka a na-eme. Ọ dị mkpa n'iwu atụmatụ na agụmakwụkwọ ọ bụla e nyere na-aga ezipụta ndi ga na-agagharị n'ụlọakwụkwọ oge kwuru oge iji hụ na ihe iwu kwuru ka a na-eme n'ụlọakwụkwọ. Iwu ọ bụla agbakwasịghị anya na-ebute ịda mba n'ihe ebunuche mebe iwu ahụ. Ọnọdụ a bụ nsogbụ n'ikuzi na ọmụmụ Igbo dịka A2.

**Ụzọ nnabata ụmụ akwụkwọ**

Mmejupụta ihe iwu chọrọ n'usoro e si anabata ndị chọrọ ịgụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn tara akpụ. Rịgọrịgọ a na-ebute nsogbu n'inweta ụmụ akwụkwọ ga-agụ Igbo dịka A2. Otu iwu a kwuru na nwata akwụkwọ chorọ ịgụ Igbo dịka A2 ga-enwetarịrị Bekee na Sọm n'ule sekọndịrị ma ọ bụ ogbo ya. Iwu dị otu a na-adoghachị aka elekere azụ. Amụmamụ Bekee na Sọm enweghị ka ha siri yie ịgụ Igbo. N'ihi ya, ihe amụmamụ abụọ ahụ adịghị mkpa ebe ịgụ asụsụ Igbo nọ. Ọ dị mkpa ka e mezie iwu a site n'ime ka ụzọ e si anabata ụmụ akwụkwọ chọrọ ịgụ Igbo dị mfe ghara ịta oke akpụ.

**Nnweta omenaala**

Nnweta omenaala bụ ihe amụmamụ na-ewe ihe dịka izu ụka isii ruo n'iri nke ụmụ akwụkwọ na-eme site n'ịga obodo jiri asụsụ ahụ mere asụsụ epum ha, nwee mmekọrịta, ma si otu ahụ mụta omenaala, ọdịnaala na ewumewu obodo ahụ. Ebe ụmụ akwụkwọ na-agụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn na-agakarị maka ụdị amụmamụ a bụ na Nashọnal Instutu maka Asụsụ Naịjirịa nke dị n'Aba na Steeti Ụmụahịa. Ụgwọ ụmụ akwụkwọ na-akwụ na nnweta omenaala dị oke ọnụ. Ụgwọ ụmụ akwụkwọ na-akwụ na nnweta omenaala karịrị ụgwọ akwụkwọ ha na-akwụ n'otu afọ. Nsogbu a mere na ụfọdụ ndị nne na nna tinyere ụmụ akwụkwọ anaghị enweta akatamkpo ego ga-ezuru ha isonye mee ihe ọmụmụ ahụ. Ọnọdụ a emeela na ụfọdụ ụmụ akwụkwọ anaghị esonye ibe ha eme ihe ọmụmụ a mgbe ha kwesịrị ime ya. Nke a na-ebute ụfọdụ n'ime ha ịda mba ebe ndị ọzọ na-anofe afọ ole ha kwesịrị ịnọ n'ụlọ akwụkwọ ebe ha na-agba mbọ ka ha chọta ego soro ibe ha gaa ọmụmụ nnweta omenaala. Ndị isi ụlọakwụkwọ na gọọmenti kwesịrị ịgbata ọsọ enyemaka ma wedatatụrụ ụmụ akwụkwọ ọnụ ego e ji aga amụmamụ nnweta omenaala.

**Nchịkọta na mmechi**

Nchọcha a lebara anya n'ihe chere ikuzi na ọmụmụ asusụ Igbo dịka A2 aka mgba na kọleeji keedukeshọn. Ebe mgbado ụkwụ nchọcha a bụ na Fedralu Kọleeji Keedukeshọn, Yola. Ntuleghari agụmagụ e mere gosiri na amụmamụ Igbo dịka A2 malitere oge ndị gọọmenti Naịjirịa nyere iwu ka e gwuzobe Nashọnal Kọmịshọn maka Kọleeji Keedukeshọn na 1989 nke nyere NCCE ikikere inye iwu ka kọleeji keedukeshọn niile dị na Naịjirịa wee kuziwe amụmamụ asụsụ Hausa, Igbo na Yoruba dịka A1 na A2. Iwu a abịaghị na mmezu na Fedralu Kọleeji Keedukeshọn, Yola ruo n'afọ 2006. Igbo dịka A1 buru ụzọ malitere

n'afọ 1986 na Yola ebe amụmamụ Igbo dịka A2 malitere n'afọ 2006. Ndị ọchọcha tulegharịrị atụtụ ụfọdụ e nwere na nkuzi asụsụ ịbọ malite n'atụtụ nnweta asụsụ na nnata omenaala, atụtụ nlegide, atụtụ nzikorịta ozi nkuzi asụsụ ruo na atụtụ iwu nkuzi asụsụ. Na ntulegharị isiokwu, nchọcha a tulegharịrị nchọcha Junaidu na Ihebuzor (1993), Emenanjo (1996), Ossai (2011) na Afoma (2013) site n'ịzipụta myiri na ndịiche e nwere n'etiti nchọcha ndị ahụ na nke a na-abagide nchọcha ya ugbu a.

Nchọcha a chọpụtara ọkpụrụkpụ ọgbatauhie anọ dịka ụkọ akọrọ ngwaọrụ dịka enweghị ndị nkuzi a zụrụ ọfụma, ụkọ ngwa nkuzi, enweghị mkpalite mmụọ na ụkọ ebe a ga-arụ ọrụ. Ndị ọchọcha chọpụtakwara na ajọ echiche ime obi ndị mmadụ na-ebute iri mperi n'agụmakwụkwọ, nleli nne na nna na-eleli asụsụ Igbo, nkwenye efu ndị mmadụ na mmụọ ụmụ akwụkwọ ịda mba na-ebute ọgbatauhie nye ọmụmụ Igbo dịka A2. Ọgbatauhie ọzọ a chọpụtara bụ usoro edide dịka nsogbu ntọala odide asụsụ, mkpafanye asụsụ, asụsụ akamere na ụkọ akwụkwọ ọgụgụ n'Igbo. N'ikpeazụ, nsogbu pụtakwara ihe na nchọcha a bụ mmebe iwu atụmatụ asụsụ dịka mkpagbụ asụsụ nkwekọrịta, agbakwasighị iwu amụmamụ anya nke ọma, ụzọ nnabata ụmụ akwụkwọ tinyere nnweta omenaala. Ntunyeuche ọrụ a bụ na emezie ọgbatauhie ndị a e zipụtara, nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dịka A2 na kọleeji keedukeshọn ga-abụzị egwu na amụ.

**Edensibịa**


Afoma, R. O. (2013). National policy on education: Problems and prospects for teaching and learning of Igbo as a second language in Nigerian secondary schools. *Journal of Educational and Social Research, 3, (2), 371-376.*

Bendor-Samuel, J. T. & Rhonda, L. H. (1989). *The Niger-Congo language: A classification and description of Africa's largest language family.* Maryland: University Press of America.

Brown, D. H. (2001). *Teaching by principles: An interactive approach to language pedagogy.* San Francisco: Longman Inc.

Emenanjo, E. N. (1996). Languages and the national policy on education: Implications and prospects. E nwetara na Jenuwarị 27, 2020 na *http//www.fafunwafoundation.tripod.com*

Federal Republic of Nigeria. (1999). *The constitution of federal republic of Nigeria*. Abuja: Federal Republic of Nigeria.

Federal Republic of Nigeria. (2006). *National population commission*. Abuja: Federal Republic of Nigeria.

Federal Republic of Nigeria. (2012). *National commission for colleges of education minimum standard*. Abuja: NCCE Press.

Federal Republic of Nigeria. (2013). *National policy on education* (6th Edition). Lagos: NERDC Press.

Husna, S. A. (2009). *Teaching English as a foreign language in Oman: An exploration of English language teaching pedagogy in tertiary education.* Ph.D. Thesis, Victoria University Melbourne, Australia.

Ikekeonwu, C. I. (2005). Igbo language development: Intrigues, palliatives and solutions. Na C. I. Ikekeonwu & I.U. Nwadike (Ndị Od.). *Igbo language development: The metalanguage perspective*, (Pp.86-96). Enugu: CIDJAP Printing Press.

Jinaidu, I. & Ihebuzor, N. (1993). Developing curricula: Nigeria languages. E nwetara na Jenuwarị 27, 2020 na *http//www.iiste.org/journals.*

Krashen, S. D. (1982). *Principles and practice in second language acquisition.* Oxford: Pergamon Press.

Littlewood, W. (2007). *Communicative and task-based language teaching in East Asian classrooms. language teaching.* Cambridge: Cambridge University Press.

Nunan, D. (1991). Communicative tasks and the language curriculum. *TESOL Quarterly*, **25** 2, 279-95.

Nunan, D. (2004). *Task-based language teaching*. Cambridge: Cambridge University Press.

Olaudah, E. (1789). The interesting narrative of the life of Olaudah Equiano. E nwetara na Jenuwarị 27, 2020 na *http://www.worldwidelearn.com/elearning-essentials/els.htm.*

Oldendorp, G. C. A. (1777). *History of the mission of the evangelical brothers in the Caribbean.* E nwetara na Jenuwarị 27, 2020 na http://www.worldwidelearn.com/elearn.

Oraka, L. N. (1983). *The foundations of Igbo studies*. Onitsha: University Publishing Company.

Ossai, B. O. (2011). The curriculum and the teaching of Igbo as L2 in federal colleges of education: Problems and prospects. *Journal of Igbo Language & Linguistics (JILL) 3, 43-53.*

Sanguinetti, J., Waterhouse, P., & Maunders, D. (2004). *The ACE experience: Pedagogies for life and employability, adult community and further education.* Victoria University: Melbourne.

Schumann, J. (1978). The acculturation model to second language acquisition. Na R.C. Gingras (Od.). *Second language acquisition and language teaching*. (pp.27-50). Arlington,VA: Centre for Applied Linguistics.

Yule, G. (1996). *The study of language: An introduction*. Cambridge: Cambridge University Press.